Mmụọ Nsọ Mere Ka Samsịn Sie Ike

NDỊ IKPE ISI 13-16



www.jw.org © 2015 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

GỤỌ NDỊ IKPE 16:3.

IWE **NA-EWEKWU** NDỊ FILISTIA MGBE Ọ BỤLA SAMSỊN MERIRI HA. HA ZUKỌTARA, GBAA IZU OTÚ HA GA-ESI **NWETA YA.**

E NWEGHỊ ONYE GA-EMERILI SAMSỊN.

CHEREGODỊ, A GA-ENWE **IHE** ANYỊ NWERE IKE IME...

NDỊ FILISTIA GBARA IZU KA HA KWỤỌ OTU NWAANYỊ SAMSỊN HỤRỤ N'ANYA ỤGWỌ KA Ọ **GHỌGBUO** SAMSỊN, **JỤTA YA EBE IKE YA SI.** AHA NWAANYỊ AHỤ BỤ **DELAỊLA.**

SAMSỊN, OLEE OTÚ I SI SIE ỤDỊ **IKE A?**

GWAKWANỤ M EZIOKWU. GỊNỊ MERE I JI SIE ỤDỊ IKE A?

Ọ BỤRỤ NA Ị **HỤRỤ M N'ANYA N'EZIOKWU,** Ị GA-AGWA M EBE IKE GỊ SI.

Ọ BỤ... **NTUTU ISI M.**

A KPỤTỤBEGHỊ NTUTU ISI M.

www.jw.org © 2015 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

DELAỊLA KPỌRỌ NDỊ FILISTIA KA HA BỊA **NWỤCHIE** SAMSỊN.

MGBE ỤRA BUURU SAMSỊN, OTU NWOKE **KPỤRỤ YA ISI.** NDỊ FILISTIA **GHỤPỤZIRI ANYA YA,** KPỌRỌ YA GAA **GEZA.**

MGBE SAMSỊN NỌ N'ỤLỌ MKPỌRỌ, IHE AHỤ O MERE **WUTERE** YA.

AGARAGHỊ M **AGWA YA** EBE IKE M SI.

JEHOVA, BIKO **GBAGHARA M.** BIKONỤ.

NDỊ FILISTIA GBAKỌRỌ IME NNUKWU **EMEMME HA JI EFE CHI HA BỤ** DEGỌN. HA KPỌPỤTARA SAMSỊN KA HA JIRI YA **MEE IHE ỌCHỊ.**

SAMSỊN, ÒNYE KAZI IKE **UGBU A?**

DEGỌN KA **CHI SAMSỊN** IKE.

www.jw.org © 2015 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania

NDỊ FILISTIA NỌ **NA-AKPARỊ** SAMSỊN NA JEHOVA. MA **NTUTU ISI** SAMSỊN **ETOGHACHILA...**

ỌKAAKAA ONYENWE ANYỊ JEHOVA, BIKO, **CHETA M,** BIKO, **NYE M IKE,** NAANỊ OTU UGBORO A.

SAMSỊN JIDESIRI **OGIDI** ABỤỌ JI ỤLỌ AHỤ AKA IKE, MA JIRI IKE YA NIILE **KWAA** HA AKA.

JEHOVA NYERE YA **MMỤỌ NSỌ** YA, MEEKWA KA O **SIE IKE** ỌZỌ.

SAMSỊN WEE **BIBIE** ỌTỤTỤ NDỊ FILISTIA BỤ NDỊ NỌ NA-EMEGBU NDỊ ỊZREL KEMGBE.

GỊNỊ KA ANYỊ MỤTARA N'AKỤKỌ A?

GỊNỊ **MERE** SAMSỊN JI SIE EZIGBO IKE?
EBE GA-ENYERE GỊ AKA: NDỊ IKPE 13:25.

OLEE OTÚ SAMSỊN SI **SIEKWA** IKE **ỌZỌ?**
EBE GA-ENYERE GỊ AKA: NDỊ IKPE 16:28.

OLEE OTÚ **Ị** GA-ESI NWETA MMỤỌ NSỌ CHINEKE?
EBE GA-ENYERE GỊ AKA: LUK 11:13.

www.jw.org © 2015 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania